# Nchekwa Nrụpụta Nsinamamihe Ndị Igbo[1]

B. M. O. Mbah[a], J. Ọ. Mba[b], G. O. Iloene[ch], B.Ch. Igbeakụ[d], C. Ogbu[e] & G. T. Okeke[f]

[a,b,ch,d, f]*Ngalaba Amụmamụ Asụsụ, Igbo Na Asụsụ Naịjirịa Ndị Ọzọ, Mahadum Naịjirịa, Nsụka*
[e]*Ngalaba Nkụzi Na Ọmụmụ Nka Mma, Mahadum Naịjirịa, Nsụka*

## Ụmị

Isi mbunuche nchọcha a bụ ịtụcha nka dị iche iche ndị Igbo ji arụpụta ihe na usoro ndị ha nwere ike iji chekwaa ikike nnwe nkepụta ndị a nye ha. Mbunuche ya kpọm kwẹm bụ idepụta ụdịdị ọrụ nka, na ndị tozuru inwe ikike nnwe; a tụlere ụdịdị ikike nnwe e nwere na nke kwesiri ọrụ nka ma ọ bụ ekeruche ọ bụla; e lebara anya na mmalite na agba njedebe ikike nnwe ndị a; a tụchara ebe ike ụfọdụ ikike nnwe ndị a jedebere. Usoro, nke nka nchọcha a gbasoro, bụ nke ntụcha nkọwa. E si n’ihe e nwetara n’agụmagụ na nchịgharị uche tụlekọọ ha ma mee mkpebi. A chọpụtara na e nwere ụdị nka na ekeruche anọ pụtara ihe, ndị tozuru inwe ikike nnwe: ikike nnwe akara edemede, nrụpụta nsina nka n’ụzụ, nka eserese ma akara nzizo azụmahịa. Ụzọ nchekwa ha gụnyere inweta akara nnwe edemede dị ka ISSN na ISBN maka edemede, ikike nnwe nrụpụta nsina nka n’ụzụ maka nka n’ụzụ, ebe ikike nnwe nka eserese na abụọ ndị a na-agakọ. E nweghi ikike nnwe pụtara ihe a na-enye nnwe akara nzizo azụmahịa n’ihi na ọ dịịrị onye nchọpụta ya ime nke a; ọ bụrụ na o chekwalighi akara nzizo azụmahịa ya, onye ntapu ma ọ bụ ohi ya nwere ike itinye ya n’ọrụ n’adaghị iwu ọ bụla. Nchekwa ikike nnwe, n’izugbe ya, na-adịgide tutuu onye nwe ya anwụọ. Nke a mee, ikike a na-agafe n’aka ọnata ekpe ya, nke ọ ga-ejide afọ iri ise. Oge a gafee, ikike nnwe ahụ adapụtara ọha na eze. Ndụ ikike ndị ọzọ dabere n’etu iwu obodo si dị. A na-atụ aro ka onye Igbo mepụtara ihe nka na ekeruche nweta akara ikike nnwe maka uru dị iche iche so ha, ndị e depụtara n’ime nchọcha a.

## 1. Mkpọlite

Ụwa jupụtara n’ekerekedị iche iche. N’isi ekereke niile bụ ụwa mmụọ; e nwekwara ụwa mmadụ na nke anụmanụ; ụwa ndị a gharịpụ, e nweta ụwa ihe adịghị ndụ. Mmekọrịta dị n’etiti ụwa ndị a nye ụwa ihe, ndị na-adịghị ndụ, mejupụtara na mmeso na mmekọrịta, ndị na-anaghị adaba etu echiche agwa ndị a si chọọ mgbe niile. Ọ bụ mgbagha echiche obi ekereke ndị a kpatara na a na-enwe anya ụfụ na ekworo n’etiti mmadụ, n’otu aka, nakwa n’etiti mmadụ na anụmanụ n’aka nke ọzọ. Mmadụ, n’ichekwa onwe ya, na-atụ atụmatụdị iche iche iji dịrị; atụtụ, ndị agbụrụdị iche iche na-atụ, gbadoro ụkwụ n’etu gburu gburu ha si dị. Ndị bi n’ala oyi na akụ mmiri na-atụ atụmatụ etu ha ga-esi kwechie oyi; ndị bi n’ótú na-eme nchọpụta ka ha ga-esi na-egwu mmiri kwa ụbọchị; ndị gburu gburu ha bụ ịkpa na-amụ ka ha ga-esi na-enweta mmiri, nke ha ga-eji na-eme ihe kwa ụbọchị. N’aka nke ọzọ, ndị Chukwu gọziri ala ha na-epoto ndụ, na-egori.

Ọ bụ ka ndị si hụta gburu gburu ha na-ebuta etu na ụzọ ha si eme nchọpụta nakwa etu ụkpụrụ awamanya ha si aga. Nchọpụta na amụmamụ niile mmadụ na-eme na-agbado ụkwụ n’ime ka ha na-achịkwa ebe obibi ha ma ghara inwe nsogbu ma ọ bụ nwụchuo anwụchu. Ntọa na-akọwa etu ndị oyibo si chọpụta ọtụtụ ihe ha jiri kwụdo na gburu gburu ha, bụ nke nara agharịpụ ndụ ha, ebe ndị isi ojii a goziri ala ha na-egori, n’atụghị uche ọ bụla ma ọ bụ mee nchọpụta gbasara gburu

gburu ha. Ndị oyibo chepụtara egbe na ngwa agha ndị ọzọ ha ji echekwa onwe ha. Tinyere nke a, ha sitere na mmeri ha meriri gburu ha bagide agbụrụ ndị gbara ha gburu n'ụdị ịtụrụ ha iwu na ikpebi ihe na etu a ga-esi na-eme ihe.

N'aka nke ọzọ, ndị isi ojii nwere gburu gburu nwere ọtụtụ ihe na-enyere ndụ aka, nke pụtara na ha echeghi na ọ bara uru inye onwe ha nsogbu ma ọ bụ chụgbuwe ndị agbụrụ gbara ha gburu gburu. N'ala Igbo, e nwere ala údè, nke pụtara na nkọpụta nri abụghị nsogbu. Anwụ na-acha ebe ọdị ukwu, nke a pụtara na oyi anaghị atụgbu mmadụ. Ọzọ kwa, mmiri na-ezo etu o si dị ahụ mma. N'ihi onyinye nsina Chi ndị a, ha echeghi na ichekasị onwe ha bara uru. Njirimara ha bụ iwulite ọbụbụ mmadụ ha nye mmekọrịta ha na ibe ha.

Etu o sila dị, n'oge ugbu a ụwa bụụwa ogbe, nchọpụta ọdị-be-ndị dum abịakọtala ọnụ, nke mere na ụwa niile na-azụ otu ahịa. Nke a na-emetụta ndị ụwa iti na ndị nke bọlịbọ n'ebe ọdị ukwuu. Igbo bụ ndị a ma ka ndị njepụ na mbọ. Ha echepụtala ma mepụta ọtụtụ ihe ma n'ụlọ ma n'ụzọ ije. E mepụtala iwu gbasara ikike nnwe, nke bụ ka onye rụpụtara ihe rie erere si na ya. Erere nnwe dị ọtụtụ, ndị a na-echekwa iji hụ na a tara onye zuru nkepụta onye ọzọ ahụhụ ma hụ na onye tara ahụhụ kepụta ihe agaghị agba aka laa. E chere na nke a bụ ụzọ ime ka ndị mmadụ na-agba mbọ ikepụta ọtụtụ ihe, ndị na-enyere ọha na eze aka.

Mbunuche nchọcha a bụ ịchọpụta ụdịdị ihe ndị Igbo kepụtarala na etu a ga-esi chekwaa ha ma site na ha hụ na ndị Igbo ritere uru si n'ekemeke ndị a. Nke a dị ezigbo mkpa n'ihi na n'ụwa ogbe a nọ na ya, ọtụtụ ihe nhịa ahụ chere ha aka mgba. Nke mbụ, nhibe obi igwe, ọwa ududo, ngwa mgbasa ozi, nchekwa na nchedo ekemeke amamihe na nchịkwa ụlọ ekpemekpe, na ntaramahụhụ adịghịha n'aka. Nke a kpatara na ọ dị mkpa na onye Igbo kepụtara ihe kwesiri ịhụ na o chekwara ikike nnwe ya, nke ga-egbochi ndị ntapu na ndị ohi ịrọhị ya, megharịa ma ọ bụ zuru ya ma na pụ onye nchọpụta ahụ uru si na ya, nke o kwesiri irite.

Usoro, nke a gbasoro mee nchọcha a, bụ nke ntụcha nkọwasị. E si na echemeche na nchọcha dị adị nweta njatụle. A tụlere nchọpụta dị adị ma jiri ha mee ntọ nkọwa ihe e chepụtara; e sitere na ntụlekọ ha wee mee mkpebi dị iche iche e mere.

## 2. Ntụleghari agụmagụ

### 2.1 Nkọwa ọkpụrụkpụ okwu

Nkeji a kọwara ọkpụrụkpụ okwu ndị mmata ha ga-enye aka n'ịghọta isi nchọcha a. E nyekwara nkọwa ha etu ọchọcha si jiri ha mee nkọwa ma chọọ ka ọgụụ ghọta ha etu a na nchọcha a.

#### 2.1.1 Amamihe

Okwu ndị mejupụtara amamihe bụ akọ na uche. Akọ bụ ụdị amamihe, nke mmadụ ji egbo mkpa bịaara ya na ntụmadị; e nwere ike ịkpọ ya ahụ nkọ. Akọ bụ amamihe nzechara, nke e ji egbo mkpa, nke a na-enwechag hị ohere ịtụcha mpụtara ya ma ọ bụ ihe ga-esota ya n'ọdịnihu. Akọ bụ amamihe, nke e ji egbo mkpa e ji n'aka n'agbanyeghi ma ọ ga-adị mma ma ọ bụ njọ n'ọdịnihu (hụ Mbah, 2025). N'aka nke ọzọ, uche bụ ụdị amamihe, nke a chịgharịrị uche achịgharị tupu e were ya gboo mkpa. Nke a pụtara na a na-atụle mpụtara ihe a ga-eme nke ọma tupu e mee ya. Na nchọcha a, a na-ahụta amamihe dị ka iji nchịgharị akọ na uche bie ndụ, n'ụdị igbo mkpa, nke ga-eme ka e nweta echiche obi mmadụ, nke agaghị ebutere ya nsogbu.

### 2.1.2 Amamihe aka-mere

Amamihe aka-mere bụ nkeji ahịrị okwu, ndị ihe mejupụtara ya, dị ka aha ya si dị, bụ amamihe na aka-mere. Amamihe, dị ka a kọwarala n'elu bụ ike e nwere ịchịgharị uche ma mụta, ghọta, gboo mkpa iji nọzie n'ọnọdụ mmadụ hụtara onwe ya. Aka-mere n'aka nke ọzọ bụ ihe mmadụ mepụtara ma ọ bụ ihe, nke adịghị etu Chukwu si kee ya. Otu o sila dị, nganusoro aka-mere niile na-agbaso iwu nsina Chi ndịnokpuru. Nke a na-eme ka ihe niile e jikọtara ọnụ rụ ọọrụ n'usoro iwu a. O kwere ghọta na mmadụ nwere echiche, nke o ji eme nchọcha na nchọpụta dị iche iche; etu o sila dị, ọ bụghị mgbe niile ka mbunuche ya na-apụta etu o chere. Oge ụfọdụ, mgbe e jikọtara ngwa mmepụta ihe abụọ ma ọ bụ karịa, n'ụdị imepụta otu ihe, ihe ahụ nwere ike ịkpa ụfọdụ agwa, ndị a na-amaghị na ha pụrụ ime mgbe a na-agwakọ ihe ndị ahụ. Nke a kpatara na oge ụfọdụ, ngwa nchọpụta na-enwe ọghọm; amamihe aka-mere na amamihe nsina Chi abụghị otu. Ebe amamihe nsina Chi bụ ụdị amamihe dị ka Chi si kee ya, nke aka-mere na-esite na ngwakọ dị iche iche mmadụ gwakọrọ ihe, nke na-agbaso nganusoro nsina Chi.

E nwekwara amamihe aka-mere dị ka ngwa na igwe nsina nka n'ụzụ dị iche iche, ndị e ji arụ ọrụ. Mbọ a na-agba bụ ichepụta atụtụ ndịnokpuru, usoro na nrụpụta ngwa igwe, nke na-achịgharị uche, amụọmụmụ, arụ arụmarụ, egbo mkpa, amata ma na-eme mkpebi dị iche iche n'onwe ya. Ụdị ngwa igwe ndị a na-enyere mmadụ aka ime ọtụtụ ihe, ndị mmadụ enweghi ike ime n'onwe ya n'ihi mperi, nke si n'ọbụbụ mmadụ ọ bụ.

### 2.1.3 Ikike Nnwe

Awamanya e nwere ta a sitere na nchọpụta dị iche iche mmadụ mere. N'ihi na nchọpụta ihe ga-abara mmadụ uru adịghị mfe, e hibere iwu, ndị na-ahụ na e chekwara ikike ọchọpụta nwere iji rita erere sina nchọpụta onye. Iwu a ka a kpọrọ iwu ikike nnwe. Iwu ikike nnwe dị ụbara; ha sitere n'etu ihe e chepụtara ma ọ bụ chọpụta si dị. A tụlere ha na ndịda nchọcha a.

Ka ụfọdụ ndị ọchọọ na-echu ụra agba mbọ ịma ma o nwere ihe ha ga-achọpụta, etu ahụ ka ụfọdụ na-agba mbọ ịtapu na izuru ihe ndị ọzọ chọpụtara n'ụdị iri uru ihe nke ha ataghị ahụhụ mepụta. Nke a kpatara e ji eme iwu ndị chekwara ikike ndị nchọpụta iji gbaa ndị nchọpụta ume n'ụzọ dị iche iche. Mgbe a nwụdere onye ohi ihe nchepụta ma ọ bụ nchọpụta, tụmadị nke e chekwara echekwa, a na-ata onye ahụ ahụhụ. Nke a bụ iji dọọ ya na ndịdị ka ya aka na ntị.

N'ala anyị, ụlọ ọrụ na-ahụ maka ikike nnwe bụ Nigerian Copyrights Commission, ebe World Trade Organisation na-elekọta ya n'ụwa niile. Akụkụ WTO na-ahụ maka ikike nnwe bụ 'Trade-related Aspects of Intellectual Property Rights' (TRIPS). Ọ bụ TRIPS na-emebe iwu, nke na-enyere ndị ọchịchị aka ikpebi ntụ e ji enyedebe ndị nchepụta na ndị ọchọpụta ikike ma ọ bụ atadebe ndị ohi ikike nnwe ahụhụ (hụ Mbah, 2025).

Ọ bụ n'agbata afọ 1989-1990 n'obodo Uruguay ka a nọ chịkọba iwu a kpọrọ'Uruguay Round of General Agreements on Tariffs and Trade'. A kpara iwu a aka na Doha n'afọ 2001; n'iwu Doha, e kpebiri ka obodo ọ bụla dị n'otu WTO na-eme iwu nye ikike nnwe maka ndị ya. Iwu ndị a metụtara ndị odee, ndị nwerela ikike nnwe, ndị na-emepụta afere egwu na ndị mgbasa ozi. Kamgbe 2001, e nweela mgbanwe dị iche iche n'iwu ikike nnwe dị ka o si metụta mba dị iche iche.

## 2.2 Ntọ atụtụ

Dị ka a rụtụrụ aka n'elu, amamihe aka-mere pụtara ngwa ọrụ mmenonwe, nke pụrụ ịmụ, ghọta ma gboo mkpa iji nwogharịa ma nọkwata na gburu gburu, ebe mmadụ hụrụ onwe ya. Nke a pụtara na amamihe aka-mere pụtara isi na ngwa igwe ọrụ nwogharị pụta ụbụrụ yitere nke mmadụ ma ọ bụ n'usoro ọrụ dị ka mmadụ nkịtị si eme ya. Nke a pụtara na igwe ọrụ ndị a ga na-eme ihe ndị a n'onwe ha ma na-agbaso usoro nganusoro nsina Chi n'ịchọta ọgwụ nsogbu mmadụ nwere, nke kacha dabaa n'etiti ọtụtụ usoro nakwa n'oge a tụrụ anya. Atụtụ mwube amamihe aka-mere bukwa n'obi imepụta ngwa ọrụ igwe ga na-amata olu mmadụ, ihe, akara na ọdịmara tinyere agwara myiri na ndịmiche dị n'ọtụtụ njatụle; nke a kpatara na a na-ahụta amamihe aka-mere dị ka nka n'ụzụ niile, ndị gụnyere ọmụmụ ngwa igwe, mmami asụsụ igwe ndị a, na etu ha si ahazi ma na-asụ asụsụ.

A rụọla ọtụtụ ụka gbasara ọdịdị, ntinye n'ọrụ na etu ziri ezi e kwesiri itinyedebe igwe ọrụ ndị a n'ọrụ. Arụmụka nke izizi gbasara ma e nwere ike ịsị na amamihe dị nye ọrụ, ndị igwe ọrụ ndị a na-arụ. Ụfọdụ na-arụ ụka na ụdị nka n'ụzụ e nwere ugbu a etorubeghi ịsị na igwe ọrụ ndị a bu amamihe. Ọtụtụ ndị ọka mmụta na-esi agụgọ na-ekwu na ogo nka n'ụzụ dị ugbu a bụ amụmamụ igwe ngwa ọrụ, nke nwere ike itozu bụrụ amamihe aka-mere izugbe n'ọdịnihu. N'aka nke ọzọ, ndị otu ọzọ na-arụ ụka ma ogo nka n'ụzụ dị ugbu a abụ ogo ijikọ igwe ọrụ dị iche iche iji mepụta ihe ma ọ bụ ngwa ọrụ ka adị ire. Ndị otu a na-enye ihe atụ dị ka igwe ọrụ ChatGPT, nke na-eme ka kọmputa hụụzọ, kpokọta ndị na njatụle ma rụpụta ọrụ. Ọzọ kwa bụ njikọta ọtụtụ igwe na waya, ndị na-eme ka ụgbọ ala nyaa onwe ya ma ọ bụ site n'ùkwú njatụle, tụchaa njatụle dịgasị na ya. Ndị otu a na-arụ ụka na nka n'ụzụ e nwere ugbu a bụ nke na-eṅomi usoro amamihe aka-mere; igwe ọrụ ndị a enweghi amamihe n'onwe ha; ha gbadoro ụkwụ na nganusoro iwu, ndị e tinyere ha n'ime. A na-ahụta igwe ọrụ ndị a n'ụlọ ọrụ nka n'ụzụ, ụlọ ọgwụ na ụlọ ọrụ ụgbọ njem ga.

Ihe e ji na-arụ ụka na igwe ọrụ ndị a enweghi amamihe bụ na ha na-agbaso usoro iwu, nke ngwa e tinyere ha n'ime, iji mee ka ha nwee ike; etu o sila dị, ọ pụtaghị na ndị na-etinye iwu ndị a na-amatacha ike ha pụrụ ịkpa mgbe niile. Oge ụfọdụ, usoro igwe ọrụ ndị a na-amakọ ọtụtụ usoro nsina Chi, ndị ọchọcha atụghị anya ha; oge ụfọdụ, ha agaghị arụ ọrụ ma ncha; mgbe ụfọdụ kwa, ha arụhie ọrụ, maọ bụ rụọ karịa ka a tụrụ anya. Ya kpatara na a na-arụ ụka na ọrụ ọ bụla igwe ọrụ na-arụ sitere n'iwu ùkwú njatụle e tinyere naya; oge ugbu a, kọmputa nwere ike ịhọtara ogwuu egwu ọ ga-akpọ, ụzọ kacha mfe ọ ga-agbaso mee njem ma ọ bụ ịsụgharị ederede site n'otu asụsụ gaa n'ọzọ. Ụfọdụ amamihe aka-mere, nke gụnyere kọmputa akpamụbụbọ gụnyere ChatGPT, Google Translate, Netflix na Instruct GPT. Kọmputa, dị ka ChatGPT, nwere usoro asụsụ, nke na-ebudo ike o nwere iji sụọ asụsụ yitere nke mmadụ; a na-apịnye ya ọtụtụ iwu na usoro asụsụ,ebe o si asụpụta ma na-ede azịza nye ajụjụ a jụrụ ya. Kọmputa Google Translate nwere usoro ọkọwa okwu, nke asụsụ, ebe o si enweta njatụle, nke o ji eme nsụgharị site n'otu asụsụ ma ọ bụ akara fee n'ọzọ. Netflix na-agbaso usoro ọmụmụ asụsụ ma na-atụziri ogwuu aka nye ebe o nwere ike inweta ihe gbasara akụkọ ndụ ya, ebe Instruct GPTb usoro kọmputa, nke a pịnyere usoro ụbụbọ na ịza ajụjụ.

### 2.2.1 Ụdịdị ntọ kọmpụta amamihe aka-mere

E nweela ọtụtụ igwe e mepụtara, ndị ntọ amamihe aka-mere budoro; e mepụtara ha na mbọ a na-agba igbo mkpa mmadụ dị iche iche. E kewara ha ụzọ atọ: Igwe mkpaso agwa/mmeso omume bụ nke na-ebudoghi amamihe tụgbịm. Ọ na-akpa agwa nye usoro e si pịa ya, d. k. ịtụ okwe, ịzụ ẹchẹ.

Nke ọzọ bụ igwe budoro obere amamihe nwere obere echiche gbasara ihe megara eme ga; ọ na-emeso ụwa omume ma na-akpa agwa n'usoro e si pịa ya. Ịma atụ, ụgbọ nnyamonwe dị ka Tesla, na-akwọga mmadụ ebe a chọrọ site n'usoro a pịnyere ya; ọ na-anyaga n'ihu, na-anyagharị, na-ezere ụgbọ na-abịa abịa, na-akwụsị n'ọkụ ntụzi ọgịga n'okporo ụzọ, na-enyewanye ọkụ ma ohere dị ma na-akwụsị mgbe o ruru n'ebe a chọrọ. Ụdị igwe a na-echeta ihe megara emega; kọmputa ugbu a na-echeta ebe ọpị ịkwụsịrị n'oge gara aga ma na-ebuga ya ebe ahụọ kwụsị buru ma ọpịa ya. Nke atọ bụ igwe mmamonwe na-aghọta ihe na-eme n'ụwa nakwa n'ime onwe ya. Igwe ome ka mmadụ bụ igwe, nke na-eche echiche n'usoro ọdịdị mmadụ ma na-akpa agwa ka mmadụ. Ụdị igwe a ka e bu n'uche ka e nweta mana ka ọ dị ugbu a, e mebetabeghi ya. Nke a bụ n'ihi na nganusoro igwe kọmputa na nke ọrụ niile e nwere gbadobere ụkwụ n'ụkpụrụ iwu ntụmatụ e tinyere n'ime ha. Ịma atụ, n'agbanyeghi na ụgbọ Tesla nwere ike ịnyaga mmadụ ebe dị aṅaa, o nweghi ike ịkpọghe onwe ya; o nweghi ike gakata, chigha azụ ma ọ bụrụ na a pịghị ya ka o mee nke a; o nweghi ike ịga fụnye ikuku ma afọ ya daa, d.g. Ya bụ, n'oge ugbu a, igwe ọrụ niile e nwere tinyere kọmputa ka abụkwa igwe ọrụ; ike mmenonwe ha gbadobere ụkwụ na nganusoro iwu na ike e tinyere na ha.

N'agbanyeghi na e nwetabeghi ụdị igwe ọrụ a na-agba mbọ ya, ndị nkepụta na nchọpụta ndị a nwere ikike nnwe tinyere uru ọ bụla sitere na nchọpụta ha meelara. Nke a bụ ihe dị iche n'echiche ndị oyibo na nke ndị Igbo. N'ọdịnala Igbo, ọbụbụ mmadụ ha sitere na nkwenye na otu onye dị n'ime ọha; nke a pụtara na ọha nwe onye; ya bụ, ọ bụrụ na mmadụ kepụta, mebeta ma ọ bụ chọpụta ihe, ọ chọpụtaara ya n'aha ọha; ọ bụghị maka naanị ya. Nke a kpatara na a na-ezigara ya ụmụ aka chọrọ ịmụ nka, aka ọrụ ma ọ bụ echere mmadụ ahụ ka ha gaa mụọ ya; nke a bụ ịgba odibo, nke e ji mara ndị Igbo. Erere ndị Igbo na-erita na nchọpụta, nke ha mere, bụ ike, nke onye ahụ tụfuru mgbe ọ na-arụ ọrụ; mana, ndị oyibo chọpụta ihe, ha na-ewere ndị ọzọ n'ọrụ na-akwụ ha ụgwọ ka ha na-arụpụtara ọha na eze ihe ahụ n'enyeghi onye ọ bụla ohere ịmata ntụmatụ ma ọ bụ nka o ji arụ ha. Ọ na-ejekwa, debanye nka ya ahụ n'ụlọ ọrụ na-ahụ maka ikike nnwe; nke a na-amachi onye ọzọ ime ihe ahụ; a na-ewere onye mebetara otu ihe ahụ dị ka onye ohi nka amamihe. Nke a bụ ihe dị iche na nchọpụta ihe n'ọdịnala Igbo na nke ndị oyibo, nke ndị Igbo ṅomirila n'oge ugbu a.

## 3. Ndị Igbo, nchọpụta ha na ikike nnwe

Ndị Igbo achọpụtala ọtụtụ ihe. Etu o sila dị, dị ka e kwurula n'elu, ha nwere ọdịnala, nke e ji mara ha. Nkwenye n'ọdịnala Igbo bụ na ọha nwe onye. Ihe onye ọ bụla bụ sitere n'ọzụzụ na mgbazi, nke ọha na eze gbazinyere ya; nke a pụtara na mgbe mmadụ chọpụtara ihe ọhụrụ: nka ọrụ, ngwa ahịa, ngwa ọgụ, ọgwụ na ihe ndị ọzọ, ọ na-enye onye chọrọ ịmụta amamihe ahụ ohere; nke a ka a na-akpọ ịgba odibo. Ịgba odibo ndị Igbo abụghị ịga na-efe onye ọzọ ofufe maka nri ọnụ. Odibo Igbo na-esite n'aka ọga kwụdo ma bụrụ mmadụ (hụ Mbah, 2018b).

Mana n'oge ugbu a, a na-ahụtazị nchọpụta dị ka nka onwe, nke ọchọpụta nwere ikike ijigide n'onwe ya. Ọchọpụta na-ewere ndị ọrụ, ndị ọ ga na-akwụ ụgwọ ka ha na-emepụta ngwa ahụ na gbanyụụ, nke ọ na-agba mbọ ịhụ na onye ọzọ agaghị emepụta otu ihe ahụ site n'inwe akara ikike nnwe. Nke a bụ iwu, nke na-echekwa ndị ọchọpụta, odee na ọkwa nka nye nchọpụta ha, iji gbochie ndị ọzọ ịtapu ma ọ bụ kwaa ya bụ nka ma taa ndị mere nke a ahụhụ[2]. Nke a kacha dị sụkwụ sụkwụ n'oge ugbu a, mgbe ụwa bụzị ụwa ogbe, ebe ntapu na nkesa ntapu nchọpụta pụrụ ịdị ozigbo a na-eme nchọpụta.

### 3.1 Ikike nnwe akara edemede

Na nkụpụta, ndepụta, ngụpụta echereche niile, ọ dị ka a ga-asị na nke ndị Igbo kacha nwee ikike nnwe na ya bụ agụmagụ a rọrọ arọ. Ikike nnwe akara edemede na-echekwara ọrọ abụ, ojije ejije, ode iduuazị, ọrọ egwu, ọkwa nka afere egwu, akara ọjali mgbasa ozi, osekọ onyoonyoo na obipụta agụmagụ kwa oge, d.g. ikike nnwe ekeruche. Iwu ikike nnwe bụ iwu nke na-egbochi ndị ntapu na ohi ịrọgharị, ịrụgharị, ịdọrọ ma ọ bụ idere akụkụ ma ọ bụ ọrụ ọkwa nka agụmagụ (ma nke onyoonyoo ma nke a gụrụ agụ).

Ndị ọkwa nka agụmagụ n'Igbo bara ụba. Ha gụnyere Pịta Nwana, Ude Ọdịlọra, T. U. Ubesie, F. Ch. Ọgbalụ, J. Ch. Madụekwe, E. N'. Emenanjọ, G. I. Nwaozuzu, d.g. Gbasara akwụkwọ ọgụgụ Igbo, tinyere ọkọwa okwu, ndị pụtara ihe gụnyere E.N'. Emenanjọ, P. A. Nwachukwu, K. Williamson, G. Igwe, M. J. C. Echeruo, B. M. Onyemaechi Mbah, G. E. Eke na C. Ogbulogo. Na ndị nkọwa na ntụcha ụtọ asụsụ Igbo, ọtụtụ dị. Ha gụnyere Ch. Uchechukwu, C. A. Eme, Ch. O. Okeke, N. O. Anyanwụ na ndị ọzọ.

Ndị nọ n'ekeruche egwu dịkwa ọtụtụ, d.k. Mike Ejeagha, Osita Osadebe, Muddy Ibe, Celestine Ukwu, The Oriental Brothers, Ali Chukwuma, The Peacocks International Guitar Band, Oliver de Coque, d.g. Tinyere ndị egwu, ndị na-arọ ejije onyoonyo na-agbalị. Ndị ụlọ ọrụ Nollywood na ndị ụlọ ọrụ egwu ndị ọzọ ewepụtala ọtụtụ afere egwu na ejije onyoonyoo bụ ịgba. Afere egwu na onyoonyoo ndị a kwesiri nchekwa.

Ọ bụ ezie na a bịa n'ọdịnala Igbo, nka egwuregwu niile bụ nke ọha; a naghị emepụta ha maka ire ere ma ọ bụ ịtụ mgbere. Nke a kpatara na onye ọ bụla nwere ohere, na-aga ịsara egwu masịrị ya ma bupụtakwa ya maka ngori ọha na eze. Etu o sila dị, n'oge ugbu a, a na-akwado onye ọ bụla kepụtara ma ọ bụ chepụta ọrụ nka ọ bụla ka o nweta akara nnwe, nke ga-echekwa ya bụ ọrụ dị ka nke ya ma site etu ahụ rita uru ma gbochie ndị ọzọ izuru ọrụ ahụ, kesaa ma ọ bụ rie erere ya n'ụzọ iwu na-akwadoghi; e chere na ime nke a ga-eme ka ọ nụọ ndị mmadụ ọkụ n'obi ichepụta nka ga-abara ụwa uru.

Akara nnwe, nke a na-enye ndị odee na ọkwa nka ndịnụda bụ ISBN maka agụmagụ ọdịtọ. N'aka nke ọzọ, a na-enye agụmagụ kwa oge akara ISSN. Dị ka Wikipedia si kọwaa, ISBN na-enwe akara ọgụ iri na atọ, ndị a na-ekeji ụzọ ise; nkeji ọ bụla nwere ọrụọ na-arụ. Ịma atụ, akara nke Naịjirịa na-ebido na 978, ebeakara ndị ọzọ na-egosi ụlọ ọrụ bipụtara akwụkwọ ahụ.

Ọ bụghị iwu na odee ma ọ bụ ọkwa nka agụmagụ ma ọ bụ agụragụ ga-edebanye akara ikike nnwe ya n'ụlọ ọrụ na-ahụ maka akara nnwe tupu o bido nwetawa nchekwa ma ọ bụ erere sitere n'ọrụ nka ya. Ndị na-ahụ maka onyoonyoo na mgbasa ozi na Naịjirịa bụ Nigeria Broadcasting Service. Etu o sila dị, na Saụt Afrịka, ọkwa nka onyoonyoo niile ga-edebanyerịrị ma nweta akara ikike nnwe tupu ha enwe nchekwa ekeruche kwesiri ọrụ ha.

Ikike nnwe na-enwe agba oge ọ na-adị ire. Ọkwa nka nwere ikike nnwe nye ọrụ ya ndụdụ gaa ndụ ya. Etu o sila dị, mgbe onye ahụ nwụrụ, ọnata ekpe ya na-ejigide ikike nnwe ahụ iri afọ ise. Afọ iri ise gachaa, ikike nnwe ahụ apụta n'ama ọha. Nke a pụtara, dị ka Landau (2001) si dee, na mmadụ nwere ike were akụkụ ọrụ ahụ mee ihe n'ekwupụtaghị ebe o si were ya ma ghara ịda iwu ọ bụla.

A na-agba akwụkwọ nye ikike nnwe ma ọ bụrụ na e nwere ka o si dị ka mmadụ nwere ike iche na otu ngwa ahịa bụ ma ọ bụ yiri nke ọ na-achọ, nke nwere ike ime ka ọ zụrụ otu ngwa ahịa ahụ n'aha ngwa ahịa ọzọ ahụ, nke ọ na-achọ n'ezie. Mgbe ọ bụla a kwaziri otu nka ekeruche n'ụdị ọ

bụla ma mee ka o yie ọzọ, n’agbanyeghi na n’ezie ha abụghị otu, nkea bụ ohi nka ekeruche. N’ọtụtụ obodo, a na-echekwa akara ikike nnwe afọ iri n’agba mbụ na abụọ ya; agba abụọ a gachaa, nnyeghari ikike nnwe ahụ agaghị enwe obe.

### 3.2 Ikike akara nnwe nka n’ụzụ

Ụdị ikike nnwe nke a metụtara imepụta ihe site n’iji nka n’ụzụ kpụọ, rụọ, ma ọ bụ kepụta igwe nganusoro, nke e ji eme ka ọrụ dị mfe. Mmepụta nka n’ụzụ, ndị e nwere ike inye akara nnwe, gụnyere ngwa nka n’ụzụ ndị e nwere ike itinye na mgbere azụmahịa, ụlọ ọrụ mmepụta ngwa ahịa na ọrụ ugbo (hụ Mbah, 2025). Ndị Igbo emepụtala ọtụtụ ụdị igwe ọrụ a n’echeghi ka ha ga-esi mee ha nke onwe ha ma jiri kpara ego, d.k. igu igwe, ndị e ji akwọ egwusi, ọka, ọgbọnọ, abụbọ ofe na ayaraya ga. Ha emepụtakwala ikwe igwe, ndị e ji asụụtara dị iche iche dị ka akpụ, nri ji d.g. Ha emepụtakwala ọtụtụ ọdịmara ọdịnala dị, d.k. osisi ọfọ, ọdụ atụ, ọdụ ụ́kwū na ngwa echichi ọdịnala dị iche iche. Ngwa si n’ọkwụkwa nka dị iche iche dị ka isi mmụọ, ikoro, ekwe, ọja, ọsụ, udu, eko, ukwu egbe na ngwa egwu dị iche iche, nke pụrụ iche, tozuru inwe akara nnwe. Ọzọ kwa, ndị ẹgụrụ na-akpụpụta ngwa ụzụ dị iche kwesiri inweta ikike nnwe gbasara ngwa ọrụ ha na-emepụta. Ndị na-akpụ egbe, emepụta nsị egbe, mgbọ, na ogbunigwe kwesiri inweta akara nnwe gbasara ọrụ ha. Mmiri mmụọ dị iche iche, nke na-ewocha ma na-egbu egbu tozukwara inwe akara nnwe. Olee maka ndị dịbia ọgwụ, ndị na-akụ ọgwụ dị iche iche? Ha kwesiri inweta akara nnwe site n’aka ụlọ ọrụ kwesiri, ozigbo ha matara na nchọpụta ha doro anya ma gbasoo usoro nlele nwere nkwado.

Uru dị n’idebanye aha ngwa ọrụ mmadụ mepụtara ma nweta akara nnwe buru ibu. Nke mbụ, akara nnwe ga-ahụ na ọdịghị onye ọzọ ga-emepụta ụdị ihe ahụ n’aha onye ahụ ma ọ bụ nke onye ọzọ. Ọzọ, ọ na-akwalite aha mmadụ. Ọtụtụ ngwa ọrụ sitere na nka n’ụzụ, d.k. Tesla, Mercedes, Toyota, Nemel, Juhel, Innoson bụgasị aha ma ọ bụ akara njiri-mara onye, ndị ga-adịte aka. Ịga n’ihu, ọ na-eme ka mmadụ kpaa akụ n’ebe ọdị ukwu. Mgbe otu onye mepụtara ihe, nke iwu gbochiri ndị ọzọ imepụta, ihe ọ pụtara bụ na otu ebe ka e nwere ike isi nweta ya bụ ihe; n’ihi na ọ bụ naanị onye ahụ na-emepụta ma na-ere ya, ihe sọrọ ya ka ọ ga-edebe ọnụ ahịa ngwa ahụ. Ọzọ dị ka ibe ya, onye jiri ụdị ikike nnwe a kwụdo, ọ na-esite ebe ahụ enye ndị mmadụ ọrụ tụmadị ụmụ nne ya. Onye nyere mmadụ ọrụ nyere ya ndụ, nke kwesiri ime ka ndị ọrụ niile na-akwanyere onye ahụ ugwu. N’ikpeta azụ, ọ na-akwalite nganihu na mmepe obodo.

Mgbe a hụrụ ihe e mepụtara, nke iwu machiri onye ọzọ imepụta, ọ na-akpali mmụọ ndị ọzọ ịma ụzọ dị iche iche ha nwere ike iji mepụta ihe ndị yiri ya ma ọ bụ ihe ọzọ ga. Ya kpatara na e nwere ọtụtụ ụgbọ (nke ala, mmiri, elu na oloko), egbe, kọmputa, ego, d.g. Iwu mmachi ndị a na-ahụ naonye ọzọ agaghị emepụta, kesaa ma ọ bụ resaa ngwa nka n’ụzụ ndị a n’ebughi ụzọ nata ikike onye nwe akara nnwe ya (tụnyere iwu Patents Act 57, Saụt Afrịkanke 1978).

Etu o sila dị, n’ihi na ọtụtụ ndị nchọpụta anaghị enwe ego imepụta ngwa nchọpụta ndị a n’uju na n’ihi ịtụfu ikike nnwe, ọtụtụ ndị nchọpụta na-eresi nchọpụta ha ndị ụlọ ọrụ gọvment ma ọ bụ ụlọ ndị nke onwe. Gọvment na-anagharakwa ikike nnwe tụmadị nye ngwa nka n’ụzụ metụtara ọdị-mma ndị obodo ma na-echekwa usoro na oge mmepụta na ọnụ ahịa, na ndị e kwesiri iresi ha. Gọvment ala Igbo ga kwesiri ịdị na-anaghara nchọpụta ndị ala anyị tụmadị nke ndị Igbo ma hụ na a na-emepụta ha n’uju karịa ịhapụ ka e refuo akara nnwe nka n’ụzụ ha.

N'ọtụtụ mba ụwa, e nwere ụlọ ọrụ, ndị nwere ọwa ududo, ebe onye ọ bụla chọpụtara ihe na-edebanye ya maka enyemakara nnwe ya. Ọwa ududo dị ka Global IPCo na-enyere ndị chọpụtara ngwa nka n'ụzụ ohere idebanye ihe gbasara ngwa nchọpụta ha nakwa itinye akwụkwọ maka inweta akara nnwe nchọpụta nka n'ụzụ ha. N'ebe dị ka Saụt Afrika, a na-echekwa ikike akara nnwe nchọpụta nka n'ụzụ kwa afọ ruo afọ iri abụọ.

## 3.3 Ikike nnwe ọdịmara azụmahịa

Iwu The trademark Act 194, 1993, nke Saụt Afrika[3]kọwara ọdịmara dị ka akara, nke e nwere ike ide ede, see ese ma ọ bụ kaa aka, ndị gụnyere ederede, aha, mbinye ma ọ bụ mbịanye aka, mkpụrụ okwu, mkpụrụ edide, ọnụ ọgụ, ọdịdị, nhazi, usoro, achọm-mma, agba kọlọ ma ọ bụ agbụgba ngwa ahịa ma ọ bụ ngwakọ ihe ndị a. Ọdịmara azụmahịa dị mkpa n'ihi na ha na-eweta ndịmiche dị n'etiti ngwa ahịa ma ọ bụ njemozi e ji mara omebe ha.Iwu ọdịmara azụmahịa na-ewe ọdịmara, aha ụlọ ọrụ azụmahịa, ọkọlọtọ na okwu ugori, dị ka njirimara na nka azụmahịa ha.

Ikike nnwe ọdịmara azụmahịa na-adịgide tutuu mgbe ngwa ahịa, nke e ji echekwa ya kwụsịrịịdị n'ahịa. Nchekwa ya bụ iji gbochie ndị ahịa iche na onye ma ọ bụ ngwa ahịa otu onye na nke ibe ya bụ otu.

## 3.4 Ikike nnwe nka eserese

Nka eserese, dị ka The International Council of Designs si kọwaa, bụ mmekọrịta, ndịdị n'etiti mmadụ na gburu gburu ya, ndị nwere ike ịgụnye achọm-mma, ọrụ, ọnọdụ, omenala na usoro mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Nka eserese gụnyere nka ise ihe, usoro ma ọ bụ nganusoro ọhụrụ, d. k. echiche, ihe, ngwa ahịa, ọwa ududo; ha bụgasị ihe ma ọ bụ mbunuche, nke e nwere ike iji see ihe n'ihe akpụrakpụ, n'akwụkwọ, n'eserese nnyado, na ngwa ahịa, n'ebe, n'akara, na njemozi nganusoro, na ngwa oche, n'ọwa ududo, d.g. Ụdị nka a enweghi ike ịkwụrụ onwe ya n'ihi na a na-ese ha n'ahụ ihe ọzọ. Nke a kpatara na n'ọtụtụ obodo, a na-atụlekọ ha na ihe esesara ha na ha tinyere ikike nnwe ọdịmara na agụmagụ tupu e nye ndị nwe ha ikike akara eserese nnwe gbagotere.

Ikike nnwe eserese anaghị adịgide; oge ikike e nyere gafee, ọ pụtara ọha na eze. Na Saụt Afrịka, ikike a na-adị afọ iri abụọ. N'obodo dị ka Saụt Afrịka, agba izizi ikike a bụ afọ iri na ise. Nka eserese ọrụ na-enwe nchekwa afọ iri site n'ụbọchị e tinyere akwụkwọ maka inye ikike nnwe eserese n'aka Global IPCo. Tupu e nyee ikike nnwe eserese, otinye akwụkwọ ga-ebu ụzọ kwụọ ụgwọ dị n'iwu na a ga-akwụrịrị.

Site na ntụcha e mere n'elu, e nwere ndịmiche dị n'etiti ikike nnwe ngwa nka n'ụzụ na nke nka eserese. N'ikike nnwe nka n'ụzụ, iwu na-echekwa ọrụ, usoro ma ọ bụ nka usoro ngwa e mepụtara mana n'ikike nka eserese, ihe a na-echekwa bụ etu ihe si madebe mma. Ịma atụ, ebe ikike nnwe mmepụta ngwa nka n'ụzụ na-echekwa etu ụgbọ ala si arụ ọrụ, ikike nnwe nka eserese na-echekwa nkwụzị na mma ya.

## 3.5 Ikike nka nzizo azụmahịa

Ụfọdụ na-akpọya 'nzizo azụmahịa' ma ọ bụ 'ozi ntụkwasị obi'.Etu o sila dị, ha dị iche. Ozi ntụkwasị obi ka nzizo azụmahịa basaa abasa. Dị ka iwu Article 39 nke TRIPS si tụzie aka, iji tozuo dị ka nzizo azụmahịa, ozi ntụkwasị obi niile ga-adịrịrị n'iwu obodo. N'aka nke ọzọ, akara

nzizo azụmahịa niile ga-enwerịrị agwara atọ ndị a:nke mbụ, a ga-egbochịrị nzizo ya ka onye ọ bụla ma ọ bụ ọha obodo ghara ịmata ya. Ọzọ, akara nzizo ahụ bụ ihe ga na-ewetara onye nwe ya ego. N'ikpe azụ, onye nwe akara nzizo ga-ahụrịrị na o zochiri akara nzizo ahụ. Ịma atụ, kamgbeafọ 1891, e zochiri ngwa abụbọ e ji emepụta ọtọ bịrị bịrịCoca-Cola. Nke a kpatara na ọdịbeghi onye mepụtara mmanya ọtọ bịrị bịrị dị ka ya, n'agbanyeghi na e nwere ọtụtụ mmanya ọtọ bịrị bịrị. Ọ bụrụ na o nwe onye ma ọ bụ ndị matara akara nzizo ahụ, ụlọ ọrụ Coca Cola agakwaghị egbochili onye ma ọ bụ ndị ahụ ịkụpụta mmanya dị ka ya. Nke a pụtara na ozigbo onye ikike nnwe akara nzizo azụmahịa mere ka a mata akara nzizo ya ahụ, ikike ahụ efularịla ya.

American Law Institute (1939) kọwara akara nzizo azụmahịa dị ka ntụmatụ ngwakọ ozi ma ọ bụ ihe ọ bụla, nke mmadụ nwere ike itinye n'azụmahịa ya, nke na-eme ka ahịa na-agara ya karịa ka o si agara ndị na-azụ ma ọ bụ atụ mgbere otu ụdị ahịa ahụ, bụ ndị na-amataghị nka onye ahụ ji na-azụ ahịa ya. Akara nzizo azụmahịa bụ nka ma ọ bụ aghụghọ e tinyere n'azụmahịa, nke na-eme ka ngwa ahịa ma ọ bụ usoro azụmahịa otu onye dị iche na nke ndị ọzọ.

Ịma atụ, ọtụtụ ndị mmadụ na-esi ótú ụdị nri ahịa dị iche iche. Mana ajụjụ bụ: ọ bụ gịnị kpatara otu onye ji na-erecha tupu ndị ọzọ mgbe ọ bụla onye ahụ bupụtara nri ahịa nke ya? Ọtụtụ ndị na-azụ ahịa ngwo ngwo; mana, gịnị kpatara na ụfọdụ na-erechaa, gaa ahịa ugboro ugboro tupu ndị ọzọ agaghachi ahịa ótú ugboro? Ihe na-akpata ya bụ akara nzizo azụmahịa ha. Ọ bụ nka dịịrị onye, nke ndị ọzọna-amaghị ma ọ bụ enweghi, nke pụtara na mgbe ọ bụla ha matara ma ọ bụ nweta ya, asọm-mpi ahịa ha ahara nhata nha, ma ọ bụ ndị mmata ahụ ana-erekarị ndị mbọsu ahụ ahịa. Ya bụ, e mebere iwu nnwemakara nzizo azụmahịa ka ọdị ire naanị mgbe onye nwe ya chekwa nwuru ya.

Iji tozuo inwe ikike akara nzizo azụmahịa, ihe ahụ ga-abụrịrị ntụmatụ ngwakọ, mmemmekwa, usoro, nka eserese, ngwa, nhazi ma ọbụ nchịkọba ozi, ndị bara uru n'azụmahịa. Mana, a naghị amata ha n'ihi na ndị nwe ha hiri aka n'anya zobe ha megide ọha na eze. Mgbe ọ bụla ha na-akpachapụghị anya, onye ma ọ bụ ndị ọ bụla enyoro ntụmatụ nzizo ahụ ma tinye ha n'usoro azụmahịa nke ha, ndị nnyoro ahụ adaghị iwu ọ bụla.

Ọ bụ n'ihi mfularị ikike nnwe akara nzizo azụmahịa nwere ike ifularị ndị nwe ha kpatara ha ji etinye ya ka ọ bụrụ iwu nye ndị ọrụ ha; ha na-ama ọkwa n'akwụkwọ nnyemọrụ ha na ọ dịghị onye ọrụ pụrụ ịtapu ma ọ bụgbasaa akara nzizo azụmahịa ụlọ ọrụ ahụ na mmekọrịta ha na ndị ahịa ha.

Ikike nnwemakara nzizo azụmahịa achọghị ndebanye aha n'ụlọ ọrụọ bụla maka nchekwa ya. Onye nwe ya nwere ike ichekwa ya ndụdụ gaa ndụ ya ma ọ bụrụ haa na ọ dịghị onye gbara ya ama. E nwekwara ike inyefe ya onye ọzọ maka ịtụ mgbere ngo ma ọ bụ ree ya agba agba. Mana dị ka e deelara n'elu, ọ bụrụ na mmadụ nyotara ya ma tinye ya n'azụmahịa ya, ọdịghị iwu ji ya nị. Ịma atụ, ọ bụrụ na mmadụ na-edoziri mmadụ ihe, ma site n'ịtọsasị ihe ahụ, ghọta ka ya bụ ihe si arụ ọrụ ma ọ bụ ka e si rụọ ya ma, site n'ebe ahụ, malite ịrụ nke ya, ọdịghị iwu ọ dara.

## 4. Nchekwa nchọpụta ndị Igbo n'oge amamihe aka-mere

Ntụ nchekwa ozi izugbe bụ iwu dị iche iche, ndị e mebere iji nyere ndị mmadụ na ụlọ ọrụ dị iche iche aka ichekwa ngwa ozi gbasara ihe ha rụpụtagasịrị. Ha na-ewepụta ụzọ dị n'usoro iji nweta ọrụ nka ndị mmadụ. Nke a na-eme na naanị ndị mara akara nakwa ụzọ e si egwuta ya nwere ike ịchọta ma ọ bụ jiri ya mee ihe. Mbubuche ya bụ ịhụ na ọ bụ naanị onye ma ọ bụ ndị ahụ ndị

rụpụtara ọrụ ndị ahụnyere ikike ga-enwetali ọrụ nka ha. Ụzọ e si egbochibido ndị ama na ndị ohi ọrụ nka, site n'ịpịnye akara igodo ọgbata uhie na kọmpụta n'ụzọ e si egwuta ọrụ ndị a, ka a na-akpọ ntụ izugbe nchekwa aka-mere.

Ka a tụlee ụzọ dị iche iche ndị Igbo nwere ike iji chekwaa ọrụ nka ha site n'iji amamihe aka-mere. Nka n'ụzụ kọmputa emeela ka ịtọ, ịhazi, ibipụta na ịgbasa ozi mgbe na etu ọ bụla e si chọọ dị mfe. N'aka nke ọzọ, o meela ka ịpịrị ọrụ ndị mmadụ dịkarịa mfe. Ịma atụ, ọ bụrụ na odee enweghi akara igodo nzizo, nke na-amanye ndị chọrọ akwụkwọ ahụ ịkwụ ụgwọ tupu e butuo ọrụ ahụ, otu nwata akwụkwọ n'ihe dị ka ụmụ akwụkwọ narị nwere ike butuo akwụkwọ ahụ ma were igwe nsa-ndọrọ dọsaara ya ụmụ akwụkwọ iri itoolu na itoolu ndị ọzọ. Ya bụ, tinyere ịgbanye ọrụ nka odee akara nnwe ISSN ma ọ bụ ISBN, ọdị mkpa na mgbe a na-agbasa ndọrọ nro ọrụ ndị a, na a ga-ahụ na a pịnyere akara igodo nzizo, nke ọ bụ naanị ndị e nyere ikike, ya bụ, ndị kwụrụ ụgwọ, ga-ebutuli ya. Nke a bụ n'ihi na mgbe ọ bụla e nwere ike ibutu ọrụ nka ndị a n'enweghi mgbochi, ihe ọ pụtara bụ na onye ọ bụla ga-enwe ike pịrị ọdịdị nro ya n'akwụghị ụgwọ kwesiri na ọ ga-akwụ. Ya bụ na odee agaghị enweta uru kwesiri ya n'ihi na e zuola ya ohi. Ụlọ ọrụ dị ka Spotify na Amazon na-agbasa ọrụ nka ndị mmadụ n'ụzọ na-ahụ na ọ bụ naanị ndị kwụọlara ụgwọ ha kwesiri, nwere ike inweta akara igodo nzizo iji inweta ọrụ ha na-achọ. Ọ bụ etu a ka ndị ọrụ nka si enweta erere na uru si n'ọrụ ha.

Ụfọdụ nchekwa gụnyere ngwa nro mmepe kọmputa, ngwa nro ogbu nje kọmputa, ngwa nro mgbochi mpịbanye na kọmputa, ngwa nro mgba ama mpịbanye na kọmputa, ngwa nro akara mpịbanye, ngwa nro usoro njikwa ọrụ kọmputa, ngwa nro mbugota nke na-eme, d.g.(tụnyere Rodburg & Pappas, 2017). Nchekwa site n'ịbanye na kọmputa nwere igwe agba usoro nchekwa nke na-eme na ọ bụrụ na a pịnyeghi akara kwesiri, kọmputa ahụ agaghị emepe ma ọ bụ rụọ ọrụ dị aṅaa. Akara nnyemikike bụ akara ndịọ ga-abụ apịnye na kọmputa, o meghee ma ọ bụ rụọ ọrụ a chọrọ ka ọ rụọ.

Maka ọrụ nka Igbo, e nwere ike itinye akara ndị a n'asụsụ Igbo. Nke a ga-eme na ndị niile a naghị anụ Igbo agaghị emepeli ya. Ọzọ kwa, ọ bụrụ ọrụ a chọrọ ka ọ bụrụ naanị ndị Igbo e nyere ikike ga-abanyenwu, a mara na akara nzizo adịla mkpa. Akara nzizo ndị a ga-eme na naanị ndị ghọtara ma ọ bụ pịnyetara ya ga-enwe ike banye na kọmputa ahụ ma ọ bụ jiri ya rụọ ọrụ (hụkwa Sukam, 2025).

Nke ọzọ dị mkpa bụ maka ndị ọgụ egwu na ndị ejije. N'oge ugbu a, ndị nrọhị na-agbanwe olu ha ka ha yie nke ndị gụrụ egwu ma bugo ha n'ọwa ududo. Ndị egwu ahụ masịrị na-eche na ha bụ olu ndị izizi gụrụ egwu ndị ahụ, kwụọ ụgwọ ma butuo ha. Nrọhị olu ndị a na-anara ndị rọrọ egwu ndị ahụ ego rubere ha. Dị ka Omosehin (2025)[5] si gosipụta, ụlọ ọrụ nkesa egwu n'ọwa ududo bụ Spotify hichara olu nrọhị ndị egwu karịrịnde 75 n'agbata afọ 2024-2025. Ya bụ, mgbe ọ bụla onye Igbo gụrụ egwu, o kwesiri, n'itinye ikike nnwe olu ya iji, hụ na ọdịghị onye ọzọ ga-arọhị olu ya, nke ga-eduhie ndị mmadụ iche na ọ bụ nke ya n'ezie.

Gbasara nrụpụta ngwa nka n'ụzụ, nke a na-esikarị ike izuru n'ihi na ọ chọrọ imepụta ihe emepụta n'ụdị ngwa nhụrụnanya. Ebe e nwere ike inweta ọkpụụzụ a bụ n'akara nka ọdịdị, nke a na-eṅomiri, akanye ma ọ bụ anyapado n'ahụ ya. Ndị ohi ikike nnwe, nke nka n'ụzụ, nwere ike iso etu e si kwaa nka ihe wee kpụọ nke ha.

### 5. Nchịkọta, mmechi na aro

Ụwa na ndị ya na-agbanwe agbanwe. Nke a metụtara ọrụ si n'ọgụgụ isi na erere so ha. Na mgbe mbụ, mmekọrịta mmadụ na gburu gburu ha dị ka Chi si kee ha. Mana ka awamanye na-etowanye, e chepụtara ụzọ dị iche iche e si echekwa ndụ nakwa etu e si achịkwa ndị na gburu gburu. Nchịkwa ndị na gburu gburu metụtara ndị ohi na mgba ama, ndị na-ezu nka aka ọrụ, ndị nke ibe ha tara ahụhụ chepụta ma ọ bụ kụpụta. N'ihi ya, e chepụtakwara ụzọ dị iche iche e si egbochilata ohi nka ndị a. Otu ụzọ bụ inye ngwa mmepụta ndị a agwara njimara. Etu o sila dị, n'ihi na nka n'ụzụ akala anya, ka ndị mmadụ na-arọhị ụzọ ha si ezu nka ọrụ ndị mmadụ ka ụzọ e si emepụta nchekwa nka ndị a na ntụmatụ nzumohi ndị a si akawanye agba.

Ụzọ ọgbara ọhụụ e si egbochi nzumohi nka ọrụ ndị mmadụ bụ ịkpọchibido akara njimenweta ngwa nro ndị a n'ọwa mgbasa ozi. Ma ngwa nro akwụkwọ, olu ọgụ egwu ma nka n'ụzụ nwere ụzọ dị iche iche e si echekwa nzumohi ha. A na-akpọchi ndị e nwere ike ịkpọchi ọdịdị ha n'ọwa ududo, ma nwee usoro akara na agba nnweta dị iche iche na-eduga ogwu kọmputa n'ama nnweta ha. Ngwa ndị a gụnyere akwụkwọ ederede. N'aka nke ọzọ, ngwa ike nka n'ụzụ na akara nka, ndị ha budoro, ndị a na-enweghi ike chekwaa n'ụdịdị ngwa nro, nwere etu e si echekwa ha; usoro nchekwa a bụ itinye iwu n'akwụkwọ nnyemọrụ na usoro ọrụ, ndị na-amachibido ndị ọrụ ịtapu ma ọ bụ ịgba ama megide etu e si enweta ha. A na-agbatịkwa iwu megide ndị ahịa ụlọ ọrụ mmepụta ngwa ndị a megide ịgba ama megide usoro mmepụta na ntụmatụ nnwe ha.

E chekwaa ngwa mmepụta na akara nnwe ngwa ahịa na nke nka n'ụzụ, ndị mmepụta na-enwe ike ree kpọkọpị ha ma rite erere so mbọ ha gbara n'imepụta ngwa nkepụta ndị a. E chere na etu ka abara ọha obodo na ndị ya uru karịa usoro ọdịnala, ebe nchepụta, nkepụta na mmepụta ngwa ọrụ niile bụ maka nke ọha obodo karịa nke ndị mepụtara ihe ndị a; ọ na-eme ka ndị mmadụ na-agbawanye mbọ n'ịchepụta, kepụta ma mepụta ngwa nka n'edere na nka n'ụzụ dị iche iche.

Aro a na-atụ n'ebe a nye ndị Igbo bụ na ụzọ mmepụta ọtụtụ ihe dị. Ọzọ kwa, e nwere ọtụtụ ụzọ dị n'iwu e nwere ike ịgbaso chekwaa ọrụ nka mmadụ rụpụtara; o beghi n'inye ngwa mmadụ mepụtara akara nnwe; ọdịkwa mkpa na a kpọchiri igodo nnweta ha, tụmadị ngwa nro ha, n'ọwa ududo, nke pụtara na ọ bụ naanị ndị e nyere akara nzizo inweya ha ga-enwe ike gbasoro ụkpụrụ usoro igodo e nyere nweta ngwa ndị a.

### Mata

1. E deela akụkụ nchọcha a n'ederede nchọcha ngụpụta ndu a gụpụtara n'ọgbakọmbọsu nke Ngalaba Amụmamụ Asụsụ na Igbo, Mahadum Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu, Ịgbarịam, Oktoba 28-31, 2025
2. Mgbe a na-eme nchọcha, e boro ebubo na ụfọdụ ndị Igbo eburula nka nchọpụta na azụmahịa ha gaa ofesi n'ihi ụtụ ọkụ na ajọ iwu ala anyị, nke na-egbu agamnihu ha.
3. E detara akụkụ nchọcha a site n'ọwa ududo a www.golegal.co.za/ip-law-protection/
4. 'Advantages and disadvantages of artificial intelligence'. Mbutu na Septemba 12, 2025 site na https://www.simpline.com/
5. Solomon Omosehin, Septemba 25, 2025

**Nrụmaka**

American Law Institute (1939). *Restatement of Tort.*

Azam, M. (2016). *Intellectual and public health in developing world.* Open Book Publishers (mbutu n'efu)

*Intellectual property.*mbutu site na [www.golegal.co.za/ip-law-protection/](www.golegal.co.za/ip-law-protection/) na Septemba 1, 2025.

Grover, L. K. (a.a.). A fast quantum mechanical algorithm for database search. *Proceedings of the 28th annual ACM symposium on theory of computing.* 212-219. doi:10.1145/S237814.237866arỤiv:ọuant/phi/9605043. Mbutu, Oktoba 13, 2025

Landau, S.I. (2001). *Dictionaries: The art and craft of lexicography.* Cambridge: Cambridge University Press.

Mbah, B.M. (2018a). *Nsara uche, nzubere ọnọdụ na akara aka: Mental spaces, domain construction and the limitation of possibility*. 129th inaugural lecture of University of Nigeria, Nsukka, Jenuarị 25.

Mbah, B. M. (2018). Igbo Enwe Eze: A Postscript. Na G. I. Nwaozuzu, P.U. Okpoko, B. M. Mbah & N. O. Ahamefula. (Ọhz.). *Igbo Institutions and Leadership*. (ihu. 219-225). Nsukka:Barcode

Mbah, B. M. (2025). Artificial intelligence and its safeguards in Igbo knowledge production. Nchọcha ngụpụta ndu a gụpụtara n'ọgbakọmbọsu nke Ngalaba Amụmamụ Asụsụ na Igbo, Mahadum Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu, Ịgbarịam, Oktoba 28-31

Omosehin, S. (2025). Spotify introduces new rules to protect artists from AI misuse *Akelicious news* (Septemba 25)

Ọnụọra, C. (2015). The National war museum, Umuahia Preservation of Civil war Memorials and Nigerian Military History. *Critical interventions.* 9 (3) 204-218

Rodenburg, B. & Pappas, S.P. (2017). *Quantum computing*. Princeton, N.J.: Mitre Corporation

Sell. S.K. (2003). *Private power, public law: The globalization of intellectual public rights*. Cambridge: Cambridge University Press.

Sukam, Y.M. (2025). The crucial role of security in language, communication and technoscience for a holistic digital society. Akwụkwọ Ngụpụta Ndu N'amụmamụ Ọgbakọnke 3, Mahadum Steet Ẹbọnyị, Abakaliki, Oktoba 9-11